# EMEME NKE ACHỊCHA ÉKÓGHỊ ÈKÒ EMEME NKE ỌTỤTỤ IZÙ

## Ọpupu 23:14-17; Levitikọs 23:10-22; Deuteronomi 16:9-12

### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 87 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nēkelenu ekele n'ihe nile ọ bula n'ihi na nka bu ihe Chineke nāchọ nime Kraist Jisus n'ebe unu nọ" (1 Ndi Tesalọnaika 5:18).**

**I Ememe Atọ nke A na-edebe Kwa Arọ nke Iwu nke Ndị Livai**

1. Ụzọ óké ememe atọ kwa arọ ka edebere nke Ụmụ Israel na-aghaghị idebe, Ọpupu 23:14; Deuteronomi 16:16
2. Nke mbụ bụ ememe nke achịcha ékòghị ékò ma ọ bụ Ngabiga, Ọpupu 23:15, Ezikiel 45:21; Matiu 26:17; Mak 14:12
3. Nke abụọ bụ ememe nke owuwe ihe ubi, nke bụ ememe nke izù, ma ọ bụ Pentikọst, Ọpupu 23:16; Deuteronomi 16:10; Ọlu Ndi-ozi 2:1
4. Nke atọ bụ ememe nke nchịkọta mkpụrụ ma ọ bụ ememe nke ụlọikwuu, Ọpupu 23:16; Levitikọs 23:34; Zekaraia 14:16

**II Ememe nke Achị cha Ékòghị ékò ma ọ bụ Ngabiga Ahụ**

1. N'izù nke na-esote Ngabiga ahụ ọ dịghị ihe na-ékò achịcha a ga-arapụ, Ọpupu 23:15; 12:15; 1 Ndi Kọrint 5:7, 8
2. N'ụbọchị nke na-esote Ụbọchị izù ike a na-enye onyinye nke mkpụrụ mbụ, Levitikọs 23:10, 11; 1 Ndi Kọrint 15:20
3. Adịghị ekwe ka erie mkpụrụ ọ bụla tutu ruo mgbe echesịrị onyinye mkpụrụ mbụ ahụ n'iru Jehova, Levitikọs 23:14
4. A na-eche àjà nsureọkụ, onyinye ịnata iruọma, na àjà ihe ọṅụṅụ n'iru Jehova, Levitikọs 23:12, 13

**III Ememe nke Owuwe Ihe Ubi, ma ọ bụ Ememe nke Izù**

1. Site n'Ememe Ngabiga ahụ ụbọchị izu-ike asaa na otù ụbọchị, iri ụbọchị ise, ka agụkọrọ maka ememe nke izù, Levitikọs 23:15, 16
2. Ogbe achịcha koro ékò abụọ, mkpụrụ mbụ nke owuwe ihe ubi nke ọkà wheat ka a na-eche n'iru Jehova, Levitikọs 23:17
3. Anụ iri dịka àjà nsureọkụ nke onyinye ịnata iruọma, àjà ihe ọṅụṅụ dịka ihe nsusreọkụ ná-esi ísìụtọ, ka a na-eche n'iru Jehova, Levitikọs 23:18
4. Ewu dịka àjà mmehie, na ụmụ atụrụ abụọ dịka àjà udo ka a na-eche n'iru Jehova dịka ihe dị nsọ, Levitikọs 23:19, 20; Deuteronomi 16:10
5. Ụbọchị a dịka onyinyo nke Pentikọst ka a na-ewere dịka Ụbọchị mkpọkọta dị nsọ nye Israel niile, Levitikọs 23:21; Deuteronomi 16:11, 12

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

### Mgbe dị Iche Iche n'Ala Mkwà Ahụ

Mgbe Ụmụ Israel na-achọ ịbà nime Ala ahụ Ekwere harị ná Mkwà, Jehova chetaara ha site n'ọnụ Moses banyere oge Ya niile akara akà, oge mmiri òzùzò ya niile, nke ga-esochita ibe ya, na otú ihe ndịa na-aghaghị kwa ịdị n'oge niile nke ha ga na-edebe iwu Ya niile: "O gēru kwa, ọ buru na unu ejisie ike ige ntị ihem nile enyere n'iwu, nke Mu onwem nēnye unu n'iwu ta, ihu JEHOVA, bú Chineke unu, n'anya, na iwere obi-unu nile na-mkpuru-obi-unu nile fè Ya òfùfè, na m'gēnye miri-òzùzò n'ala-unu na mgbe ya, miri-òzùzò mbu na miri-òzùzò ikpè-azu, ka i we chikọta ọkà-gi, na manya-vine ọhu-gi, na manu-gi. M'gēnye kwa anu-ulo-gi ihe-ọkuku n'ubi-gi, i gēri kwa, afọ gēju kwa gi" (Deuteronomi 11:13-15).

Nke bụ na ọ dị mma nke ụmụ Israel n'ihe a na-ahụ anya ga-adabere n'ọnọdụ nke ime mmụọ ha na omume ha n'ebe JEHOVA nọ, otú a ka ọ dị kwa taa nye mba ndịọzọ dị iche iche ma ha matara nke a ma ọ bụ na ha amataghị. N'ihi nke a JEHOVA wee tụpụta na oge ndịa ga-ewere ọnọdụ dị mkpà n'òfùfè Israel, ná-echetakwara ha oge niile na Chineke ha bụ Onye ezi onyinye niile na ihe niile zuru ókè ná-esite n'aka Ya abịa. Ememe atọ ndịa a na-eme kwa arọ ya na ihe ndịọzọ dị mkpà a na-eme kwa arọ ka a na-ejikọta ya na owuwe ihe ubi ahụ nke na-esochita ibe ya; JEHOVA wee nye iwu sị "Ugbò atọ n'arọ ka agāhu ndikom-i nile n'iru Onye-nwe-unu JEHOVA bú Chineke nke Israel" (Ọpupu 34:23). O wee kwee mkwà na ndị iro agaghị emegide ala ha mgbe ha na0anọgide n'obodo ha: "N'ihi na M'gānara mba di iche iche ala ha n'iru-gi, me ka ókè-ala-gi nile sa mbara: ọ digh kwa onye ọ bula gēnwe anya uku n'ebe ala-gi di, mgbe i nārigo ka ewe hu gi n'iru JEHOVA bú Chineke-gi, ugbò atọ n'arọ" (Ọpupu 34:24). Otú a ka ụmụ Israel ga-esi mụta ya, site n'òfùfè ndịa niile nke Chineke malitere,

ịdịmma Ya n'ebe ha nọ, na nrọpụta Ọ na-arọpụtara ha n'uju maka mkpà ha niile, na aka nchebe Ya n'ebe ndịiro ha nọ -- ná-adabere na ọ bụrụ na ha edebe iwu ya niile n'ikwesị ntụkwasịobi, ná-adịghị mgbe ọ bụla ha ga-echefu Chineke nke ndị bụ nna ha. Ma karịa nke ahụ, owuwe ihe ubi niile nke Ala ahụ Ekwere ná Mkwà ka JEHOVA rọpụtara dịka ụdị nke óké àtụ̀màtụ̀ nke mgbapụta ukwu Ya, ọ bụghị náánị nye ndị Ya bụ́ Israel, kama nye ụwa niile -- ma lee échìchè ọma dị otú a! dịka esi achịkọta ọkà wheat nime ọbà, otú a kwa ka a ga-achịkọta ndị niile JEHOVA gbapụtara otù ụbọchị nime Alaeze eluigwe Ya.

**Ememe nke Achị cha Ékòghị Èkò**

Ememe a nwere nnọọ ihe jikọtara ya na ememe Ngabiga nke mere eji na-akpọ ya "ememe nke achicha ékòghi-èkò." Ngabiga ahụ dịka anyị mụrụ ihe banyere ya n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ anyị site n'Ọpupu 12:1-51, ka a na-edebe n'abalị nke iri na ise (15) nke ọnwa Abib nke ihe ná-esochita ya bụ izù nke achịcha ékòghị èkò. Ụmụ Israel ná njikere maka Ngabiga ahụ na-eji nleruanya zachapụsịa ma hichapụsịa kwa ihe niile ná-ekò achịcha n'ụlọ ha, ọ dịghị kwa onye Israel ọ bụla ma ọ bụ onye ọbịa nke nọ n'etiti ha nke a na-ekwenye ka o rie achịcha koro èkò n'izu nke ná-esoni, nke ná-egosi iwezuga mmehie niile.

Ememe Ngabiga ahụ, dịka anyị mụworo ka emezuru n'ụzọ dị ebube n'òzùzù òkè ya niile, mgbe Jisọs na-aga "na-ebu obe Ya" ewee kpọgide Ya n'elu obe n'Ugwu Kalvarị: "Sachapunu ihe-iko-achicha ochie, ka unu we buru ogbe utu agwọrọ agwọ ọhu, dika unu bu achicha ekogh-eko. N'ihi na achu-kwa-ra àjà-ngabiga ayi, bú Kraist: ya mere, ka ayi nēme ememe ahu, ọ bugh n'ihe-iko-achicha ochie, ọ bugh kwa n'ihe-iko-achicha, nke bu obi ọjọ na ajọ ọlu, kama n'achicha ekogh-eko nke bu idi-ọcha na ezi-okwu" (1 Ndi Kọrint 5:7, 8).

**Owuwe Ihe Ubi nke Ọkà Barley**

Ememe achịcha ékòghị èkò ka a na-agụ nnọọ oge ya nkeọma wee mee ya n'oge ntà mgbe mmiri òzùzò ikpèazụ̀ gasịrị. Ma nke a abụghị náánị ihe ndaba. Chineke na-ezite mmiri òzùzò ikpèazụ̀ ahụ iji mee ka mkpụrụ tozuo ókè maka owuwe ihe ubi, ọkà barley bụ nke ná-ebute ụzọ n'oge ahụ irite urù n'ihe nrọpụta dị otú a. N'ịdakọta ya na àtụ̀màtụ̀ nke Chineke, a na-eche onyinye nke mkpụrụ mbụ a n'iru Chineke "n'echi nke ubọchi izu-ike ahu" nke ná-egosi inye ekele nke ụmụ Israel, ná-egosi kwa na mkpụrụ mbụ dịrị JEHOVA n'ihi na ọ dịghị onye a na-ekwenye ka o rie mkpụrụ mbụ nke owuwe ihe ubi ahụ ruo mgbe echesịrị onyinye a n'iru JEHOVA (Levitikọs 23:14).

Ma ọ dị ihe dịkarịrị omimi nke pụtara ìhè nke ekpughere n'onyinye a karịa nke mbụ. Nime akwụkwọozi nke Pọl Onyeozi dere nke amaara nkeọma banyere mbilite n'ọnwụ, anyị na-agụ, "Ma otú ọdi, emewo ka Kraist si ná ndi nwuru anwu bilie, nkpuru mbu nke ndi daworo n'ura ọnwu" (1 Ndi Kọrint 15:20). Ọzọ kwa n'ebe a anyị na-ahụ́ otú Kraist si mezuo Ngabiga ahụ n'ozuzu òkè: Mgbe akpọgidere Ya n'obe O tiri mkpu sị, "Ọ gwusiwo," mgbe o ruru n'oge ịchụàjà nke anyasị O tiri mkpu ọzọ wee kubie ume. Ma "n'echi nke ubọchi izu-ike" O si n'ílì bilie "nkpuru mbu nke ndi daworo n'ura ọnwu," ná-egosipụta mkwà ahụ dị ebube nke mbilite n'ọnwụ nye ndị dara n'ura ọnwụ nime Jisọs. Ọzọ kwa, ebe ọ bụ na O si n'ọnwụ bilie n'ụbọchị mbụ nke izu ụbọchị asaa nke nyere anyị ebe mgbakwasị ụkwụ n'Akwụkwọnsọ banyere idebe ụbọchị ahụ dịka Ụbọchị Onyenweanyị. N'ihi na ọ na-echeta ihe banyere Mbilite n'ọnwụ Ya n'ụzọ dị ebube na òkìkè ọhụụ ahụ bụ́ nke O webatara -- ọgbụgbandụ̀ ahụ ka mma, olileanya ka mma, mkwà ka mma, mbilite n'ọnwụ ka mma, ebe obibi ka mma karịa nke ekpughewororị nime ụdị na onyinyo nke Ọgbụgbandụ Ochie. Ọ bụ kwa ihe aga aghọta na nime àjà nke ifé ùkwù otù àjà nsureọkụ, onyinye ịnata iruọma na àjà ihe ọñụñụ ka a na-eweta ịbụrụ JEHOVA ihe ná-esi ísìutọ (Levitikọs 23:12, 13). Ma n'ebe a adịghị eweta àjà mmehie. "Onye ahu Nke nāmagh nmehie ka o mere ka o buru nmehie n'ọnọdu ayi, ka ayi onwe-ayi we ghọ ezi omume Chineke nime Ya" (2 Ndi Kọrint 5:21).

**Ememe nke Izù**

N'ịtule oge a ga-eme ememe nke izù, site "n'echi ya mgbe ubọchi izu-ike gasiri" a na-agụ ụbọchị izuike asaa "site n'echi nke ubọchi-izu-ike nke asaa" nke mejuru ya iri ụbọchị ise site ná Ngabiga ahụ (Levitikọs 23:15, 16). Ma n'ụbọchị nke iri ise a, amatara n'Agba Ọhụụ dịka Pentikọst, bụ mmalite nke obibi ọkà wheat (Ọpupu 34:22). Ogbe achịcha koro èkò abụọ, mkpụrụ mbụ nke obibi ọkà wheat ka a na-eche n'iru JEHOVA dịka onyinye (Levitikọs 23:17), nke bụ ihe ná-egosipụta inye Chineke ekele dịka Onye Onyinye, dịka ọ dị n'ememe achịcha ékòghị èkò. Ọzọ ụmụ-atụrụ asaa, otù nwa oké ehi na ebulu abụọ, maka ịchụàjà nsureọkụ, na onyinye ịnata iruọma na àjà ihe ọñụñụ bụ àjà nke ihe ísì ụtọ a na-achụrụ JEHOVA. Otù aka ahụ kwa n'ememe a otù mkpị ka a na-achụ ka ọ bụrụ àjà mmehie, na ụmụ ebulu abụọ ka ha bụrụ ihe nke àjà udo, onyinye afọ òfùfò nke ga-abụ ihe nsọpụrụ nye JEHOVA n'ebe ụmụ Israel nọ (Levitikọs 23:18; Deuteronomi 16:10; Levitikọs 23:19, 20). Ụbọchị ahụ ka Ụmụ Israel na-akpọsa dịka ụbọchị mkpọkọta dị nsọ, na a ga-edebe ya dịka ụbọchị Izuike na mgbe oké ọñụ nye ndị Israel niile, na ndị ọbịa niile nọ n'etiti ha (Levitikọs 23:21; Deuteronomi 16:11, 12).

Ihe ụbọchị a pụtara n'ebe Israel nọ ya na ọtụtụ àjà ya niile na ido nsọ niile nke a na-eme n'ụbọchị ahụ bụ ihe were ndị Israel anya nkeọma. Ọ na-abụrụ ha óké ụbọchị nke inye ekele na nke ịñụrị ọñụ, n'ihi ịba ụba nke mkpụrụ dị iche iche nke enyere ha. Wheat bụụrụ ha óké ihe oriri ná ndụ, ọbụná dịka ọ bụụrụ anyị n'ụbọchị taa, ọ bụ ezie na ndị ka n'ọnụ-ọgụgụ n'ala anyị aghọtaghị na Chineke bụ onye Onyinye nke ihe ndịa niile. Ụfọdụ ụmụ

Akwụkwọ nke Baịbụl na-akọwa ihe ụfọdụ nke a pụtara taa. N'ụzọ ọzọ pụtara ìhè n'Akwụkwọnsọ, ha na agụkọta mgbe ụmụ Israel siri n'ala Ijipt bilie jeruo n'Ugwu Sainai na kwa oge ahụ JEHOVA pụtara ìhè n'elu ugwu ahụ dịka iri ụbọchị ise malite n'ụbọchị Ngabiga ahụ n'Ijipt, bụ́ nke ná-amakọta ná ememe nke izù, ná-egosi kwa mgbe enyere Israel Iwu ahụ.

**Ememe nke Izù ahụ Ụdị nke Pentikọst**

N'óké ụbọchị ahụ nke ememe nke izù, bụ́ nke akpọsara dịka ụbọchị mkpọkọta dị nsọ nye Israel niile, ka anyị kweere na o nwere ihe ngosi dị omimi karịa náánị ịkụziri mba ahụ inye Chineke ekele n'ihi óké ịghọ mkpụrụ ha n'uju. Ọ bụ ihe bara óké urù ịmata otú ememe nke izù a si bụrụ ụdị Pentikọst, mgbe ahụ narị mmadụ na iri abụọ natara Mmụọ Nsọ na ọkụ n'ụlọ elu ahụ (Ọlu Ndi-ozi 2:1-4), nke mere mgbe ụbọchị iri ise gasịrị n'oge hour ahụ akpọgidesịrị Jisọs n'obe o wee bụrụ àjà Ngabiga anyị.

Àjà òfùfè nke mkpụrụ mbụ nke ọkà barley ahụ, ka anyị chọpụtara na ọ bụ ụdị Kraist Onye bụ́ kwa mkpụrụ mbụ ahụ mgbe O si n'ílì bilie. Ma dịka obibi ọkà barley na-ebutere owuwe ihe ubi nke ọkà wheat ahụ ụzọ, otú a ka Kraist bụ́ kwa mkpụrụ mere ka anyị ghọta site n'ike nke mbilite n'ọnwụ Ya na a ga-enwe óké owuwe ihe ubi ọzọ; bụ́ kwa nke Pọl onyeozi na-atụ̀ aka mgbe ọ na akọwa ihe banyere Mkpụrụ Mbụ ahụ: "Ma otú ọ di, emewo ka Kraist si ná ndi nwuru anwu bilie, nkpuru mbu nke ndi daworo n'ura ọnwu … Ma madu nile n'otù n'otù n'usoro nke aka ha. Kraist, dika nkpuru mbu; **emesia ndi nke Kraist n'ọbibia-Ya"** (1 Ndi Kọrint 15:20, 23). Ma Onyeozi a gara n'iru n'ịkọwa n'ebe a na eziokwu ahụ bụ́ nke pụtara ìhè banyere mbilite n'ọnwụ ahụ nke Kraist bụ́ olileanya nke mbilite n'ọnwụ nke ndị niile kwesịrị ntụkwasịobi, ndị kwere na Ya, olileanya bụ́ nke Jisọs kwuru okwu banyere ya, "N'ihi na nka bu ihe Nnam nāchọ, ka onye ọ bula nke nēle Ọkpara-ya anya, nke nēkwere kwa na Ya, we nwe ndu ebigh-ebi; **Mu onwem gēme kwa ka o si n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu"** (Jọn 6:40). Ọzọ kwa n'ilu nke Ọ tụrụ banyere ata na ọkà, Jisọs kwuru okwu banyere ọkà ahụ dịka ụdị ụmụ nke Alaeze eluigwe: "Onye nāgha nkpuru ọma ahu bu Nwa nke madu: ubi ahu bu uwa; **nkpuru ọma ahu, ndi ahu bu umu ala-eze elu-igwe**; ata ahu bu umu ajọ onye ahu" (Matiu 13:37, 38). Ọ sikwara, "Rapunu ha abua ka ha nābakọta uba rue owuwe-ihe-ubi ma n'oge owuwe-ihe-ubi m'gāsi ndi nēwe ihe-ubi, Burunu uzọ chikọta ata ahu, ke kwa ha n'ùkwù ka unu rechapu ha ọku: **Ma kpokọtanu ọkà ahu n'ọba nkem"** (Matiu 13:30).

Lee ụdị nchepụta ọma nke a bụ! na a ga-eji mbịaru nso nke owuwe ihe ubi, ubi ọkà wheat, na ihe niile ekèrè èkè, kọwaa ihe banyere mkwà ahụ dị ukwuu nke mbilite n'ọnwụ. N'oge Ista osisi niile, okoko osisi niile, ahịhịa ndụ niile, ha niile na-ejikọta ọnụ n'abụ̀ otuto, "Kraist Ebiliwo." Nime ilu ahụ nke atụụrụ anyị, ka enwere nnọọ onyinyo mara mma nke ná-egosi ihe ná-eme n'ụwa niile n'oge aghara "mkpuru-ọma" ahụ, ruo mgbe owuwe ihe ubi mgbe mkpụrụ ahụ bụ́ wheat kaworo nkeọma ewee kpokọta ya baa n'ọba Ya. Nke a bụ usoro dị mma nke gaje ime n'oge nke Oziọma ahụ, mgbe "umu ala-eze elu-igwe" ga-abụ ndi ejikeere maka ebe obibi ha n'eluigwe. Nke a bụ eziokwu ahụ nke ụdị ya bụ okwu banyere ubi ọkà anụ niile ndị ná-efé mkpụrụ ha nke dị óké ọnụahịa n'ùkwù n'oge nke ụmụ Israel. Ewo, asị kwa na ndị Israel hụrụ nke a! Ụfọdụ mmadụ hụrụ ya; Job kwuru sị, "Ma mu onwem amawo na onye ngbaputam di ndu, na o gēbili kwa ọtọ n'elu ájá n'ikpe-azu" (Job 19:25).

"Nkpọkọta ahu di nsọ" nke akpọkọtara nye ndị Israel, bụ ụdị Ụbọchị Pentikọst. N'ụbọchị ahụ ka enyere ndị ná-eso ụzọ Kraist ike izisa Oziọma -- ọnụụzọ nke amara ghere oghe – nye mba niile (Ọlu Ndi-ozi 1:8). N'otù ụbọchị ahụ puku mmadụ atọ ka atụkwasịrị Nzukọ Kraist. Pentikọst bụ ụbọchị ịñụrị ọñụ nye ndị Kraist niile dịka ememe nke izù ahụ ga-abụworị oge ịñụrị ọñụ nye ụmụ Israel (Deuteronomi 16:11). Ma n'ụzọ ihe a na-ahụ́ anya otú a ka ọ dị, lee otú obi ha nke anụarụ na-achị ga-abụworị ihe atụtere karịa ma asị na ha hụrụ ihe ememe nke izù ahụ na-atụ̀ aka.

**Mpụta Ìhè nke JEHOVA N'Ugwu Sainai**

Ihe ukwuu a nke mere bụ́ nke anyị kwuworo banyere ya ka edere n'Ọpụpụ Isi nke iri na iteghete (19), ná mmalite nke amaokwu ya anyị na-agụ, "N'ọnwa nke-atọ mgbe umu Israel putasiri n'ala Ijipt, n'ubọchi ahu ka ha batara n'ọzara Sainai" (Ọpupu 19:1). Nkọwa zuru òkè n'ihe a edere n'Akwụwkwọnsọ bụ na Ụmụ Israel bịaruru Ugwu Sainai n'abalị iri na ise (15) nke ọnwa Abib, nke bụ ọnwa mbụ. Ya mere n'ịgụkọta ọnụọgụgụ ụbọchị nke ha norọ n'ịbịaru Sainai, ụbọchị iri na ise (15) dị n'ọnwa mbụ, ụbọchị iri atọ (30) dị n'ọnwa nke abụọ, otù ụbọchị dị n'ọnwa nke atọ, nke mere ha niile ụbọchị iri anọ na isii (46). Tụkwasị kwa na nke a bụ̀ ụbọchị Moses rigooro n'elu ugwu (eleghịanya ụbọchị nke abụọ, (Ọpupu 19:3); ụbọchị abụọ ndị ahụ Moses jiri doo ndị ahụ nsọ (Ọpupu 19:10); ya na ụbọchị ahụ nke a na-agaghị echefu bụ́ nke atọ mgbe JEHOVA rịdara "n'anya ndi israel nile" (Ọpupu 19:11). Ewere ụbọchị anọ ndịa tinyere ụbọchị iri anọ na isii mezuru ya iri ụbọchị ise malite ná Ngabiga ahụ, ụbọchị ahụ nke JEHOVA rịdatara n'ugwu ahụ, nke dabara nkeọma n'ụbọchị ememe nke izù na nke Ụbọchị Pentikọst.

Nke a bụ ụbọchị pụrụ iche n'akụkọ banyere ụmụ Israel. N'ụtụtụ enwere egbe eluigwe na àmụ̀mà na óké igweoji n'elu ugwu ahụ, ụda nke opi ike nke ná-adasi ike ruo ogologo oge. Anwụrụ ọkụ na-akwụ kwa n'elu ugwu ahụ n'ihi na JEHOVA rịdatara n'elu ya n'ọkụ, na anwụrụ ọkụ ya na-akwụgo dịka anwụrụ ọkụ nke óké ọkụ,

ugwu ahụ niile na-ama jijiji nke ukwuu. Nke a bụ ihe ịrịba àmà nke ikpé nke soro Iwu ahụ wee bịa bụ́ nke ụbọchị a na-egosị; ndị ahụ niile mara jijiji, Moses onweya sịkwara “Anamatu oké egwù, aru ma-kwa-ram jijiji.”

N’ebe a ka ndị Israel na Chineke bara n’Ọgbụgbandụ Ochie ahụ, ewee mee ka ha ghọọ otù mba. Ma Israel n’Agba Ochie bụ ụdị Nzukọ Kraist n’Agba Ọhụụ bụ́ nke malitere n’Ụbọchị Pentikọst. N’ụbọchị ahụ kwa ka Onye nke atọ nime Atọ Nime Otù ahụ nke bụ Mmụọ Nsọ, rịdatara n’ụ̀zụ̀ dịka nke óké ifufe ya na ọkụ wee dakwasị narị mmadụ na iri abụọ ahụ bụ́ ndị nọ n’ụlọ elu ahụ, wee mejuo ha n’ike nke ijéozi. Ma nke a abụghị ụbọchị ikpé dịka mgbe ahụ enyere Iwu. Ọ bụ ụbọchị nke emere ka amara ruo mba niile. “N’ihi na esitere n’aka Moses nye iwu Chineke; amara na ezi-okwu sitere n’aka Jisus Kraist bia” (Jọn 1:17). N’okpuru Ọgbụgbandụ Ọhụụ a dị ebube ìhè dị ukwuu amụkwasịwo okporo ụzọ anyị, anyị gaje ịzá ajụjụ dị ukwuu banyere ya ma anyị jèghariri nime ya ma ọ bụ na anyị ejègharịghị.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị ka onyinye nke ifé úkwù ọkà barley na-egosipụta?
2. N’ụbọchị nke òle n’izù ka a na-enye ya? Òlee kwa otú o si metụta ihe banyere ụbọchị izuike?
3. Gịnị ka achịcha ékòghị èkò na-egosi? Òlee ebe mgbakwasị ụkwụ anyị nwere n’Akwụkwọnsọ banyere ọ̀zịzá ya?
4. Òlee oge a na-eme ememe nke izù? Gịnị bụ ihe a na-ewe n’ubi n’oge ahụ?
5. Gịnị ka ọkà wheat nọchịrị anya ya n’ilu nke Jisọs tụrụ banyere ata na ọkà ahụ?
6. Gịnị ka Pọl kwuru banyere “nkpuru mbu”? Òlee mmetụta nke a nwere n’ebe ndị kwere na Kraist nọ?
7. Òlee otú esi amata mgbe ememe nke izù zuru?
8. Gịnị ka wheat nke oge a pụrụ ịbụ ụdị ya?
9. Òlee otú ụbọchị ememe nke izù si yie ụbọchị Pentikọst?
10. Gịnị mere ka ụbọchị Pentikọst bụrụ óké ụbọchị, n’ụwa taa?